Njirimara Ụmụ Nwaanyị Nọ Na Di Agba Akwụna N'ụfọdụ Iduuazị Igbo Nke

Ihedigbo, Ruth Ebere
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
+2348034722818
ebere.ihedigbo@unn.edu.nn

Oketa Edith Ogbonne
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
+2349065297797
na
Pauline Chinaza Nwizu
Linguistics and Nigerian Languages
Alvan Ikoku Federal University of Education, Owerri
+2348037023263
pauline.nwizu@alvanikoku.edu.ng

Ụmị

Nchọcha a lebara anya na ụmụ nwaanyị nọ na di na di na-agba akwụna dịka o si metuta akwụkwọ iduuazị atọ ndị nchọcha a gbadoro ụkwụ na ha. Mbumnuche nchọcha a kpọmkwem bụ ịchọpụta agwa e ji ama nwaanyị nọ na di agba akwụna. Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'atụtụ owuwu mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Usoro nnweta njiatụle sitere n'akwụkwọ *Isi akwụ dara n'ala, Onye Chi Ya Akwatughị* na *Ọdị Ụkọ na Mba.* Ka a gụchara akwụkwọ ndị a ugboro ugboro, a chọpụtara na agwa e ji ama nwaanyị nọ na di agba akwụna gụnyere: oke nrecha, anya ukwu, okwu asị, enweghi mmụọ mgbaghara, na ime nsị. Ntunye arọ anyi ebe a wee bụrụ na ọ bụghị ahịa niile ka nwaanyị nọ na di kwesiri izu. N'ikpe azu, onye ọbụla na-eme mkpebi kwesiri ichemi uche ime iji mata ihe nlụpụta nke mkpebi ahụ n'ọdịniihu. Nwaanyị nọ na di kwesịrị inwe ezi enyi onye ga-ezi ya ezi ụzọ, ọ bụghị ajọ enyi nke na-akwado ajọ agwa.

Abstract

This study looks at prostitution among married women in three prose texts. The major objective of this study is to: find out characteristics of a married prostitute. This study is hinged on social constructivism/constructionism as theoretical framework. The data for the study were gotten from *Isi akwụ dara n'ala, Onye chi ya akwatughi* and *Ọdị ụkọ na mba.* After several and thorough reading, the findings show that some of the characters exhibited by married prostitutes include too much make up, greed, lies, unforgiveness and poisoning. The study advises that married women should carefully select the type of business they undertake. Lastly married women should think deeply before taking crucial decisions as some of them may be detrimental in the long run. Married women should be careful while selecting friends so that they do not fall into bad and deceitful hands.

1. Ntọala nchọcha

Agụmagụ bụ enyo ndụ ndị Igbo. E ji ya ahụta ihe niile na-eme gburugburu anyị na ụzọ ha si eme. N'agụmagụ, odee nwere ike ịchịkọta echiche ya n'ụdị ejije, abụ maọbụ ịduuazị. Etu ọbụla agụmagụ esila dị, ọ na-enwe isiokwu, echiche dị iche iche na nkamma ndị ọzọ. Ihe ndị a ka a ga-eji hazie ihe odee na-ekwu maka ya. Otu n'ime uru agụmagụ bara bụ na a na-ahụ ya dịka otu n'ime ngwa ọrụ e ji ahazi ụwa. O nwere ike ịdị n'ụdị arọrọarọ ma ọ bụkwanụ emereme. Nke a pụtara na mgbe odee na-ede etu o si hụ ụwa na ihe ndị na-eme na ya, o nwere ike nwee ndị o bu n'obi i si n'ụzọ ahụ kuziere otu ihe maọbụ nke ọzọ. O nwere ike nwee ihe o bu n'obi kpọmkwem ịkọcha maọbụ ịkwado. O nwekwara ike ọ bụghị ọtụtụ ihe ndị e chere na o bu n'obi mgbe ọ na-ede edemede ya bụ ihe mere eme kpọmkwem. A bịa n'ihe o dere, ndị o metụtara ga-eji aka ha mụrụ ihe mmụta dị na ya.

N'ime nchọcha a, anyị ga-akọwa ihe bụ iduuazị. Nwadike (2005) kọwara iduuazị dịka "nkọwa ihe mere n'oge gara aga, oge ugbu a nakwa ihe ga-eme n'ọdịniihu". Akwukwọ akụkọ na-enwe isiokwu, echiche, usoro, nhazi, na ọtụtụ ihe ndị ọzọ chịkọtara ọnụ bụrụ nkamma odee.

Nchọcha a na-eleba anya na njirimara ụmụnwaanyị nọ na di agba akwụna dịka o si pụta ihe n'akwụkwọ iduuazị atọ sitere n'aka ndị odee a ma ama: Ubesie *Isi Akwụ Dara n'ala* (1973) Okebalama *Ọdị Ụkọ na Mba* (2003) nakwa Ọfọmata *Onye Chi Ya Akwatughị* (2000). Kpọmkwem, ihe nchọcha a na-eleba anya bụ "njirimara ụmụ nwaanyị nọ na di agba akwụna" dịka o si pụta ihe n'akwụkwọ atọ ndị a.

Akwụna bụ mmadụ inyefe anụ ahụ ya i ji nweta ego maọbụ ihe onyinye ndị ọzọ. Ndị odee akwụkwọ atọ a kpụ n' ọnụ ji agụmagụ zipụta ebe ụmụ nwaanyị nọ na di weere ahụ ha atụ mgbere n'ụzọ dị iche iche iji nweta ego, nchekwa na ihe onyinye ndị ọzọ mgbe di na-alụ ha ka dị ndụ. Ụdị omume a na-etinye di, nwunye, ezinụlọ, ụmụaka nakwa obodo n'ihe ize ndụ. Akwụna bụ azụmahịa nke na-ebute mmekọrịta nwoke na nwaanyị n'ụdị akwamiko iji nweta ego.

Ọfọmata (2000) hụrụ akwụna dịka ụmụ nwaanyị ndị ji ihe ha ji bụrụ nwaanyị atụ mgbere. Ha na-ere onwe ha tọrọ na afụ. Ọtụtụ n'ime ha na-eji ụlọ oriri na oñụñụ emere ebe obibi, ebe ụmụ nwoke ga na-achọta ha. Ọtụtụ n'ime ha anaghịkwa enwe ebe obibi. Ha na-eme ha gaa na nke nwoke a nye ya ihe ọ chọrọ taa, echi ha agaa na nke onye ọzọ gbooro ya mkpa ya. Naanị ihe ha chọrọ bụ ego, I dina ha etu ọ masịrị gị. Ebe a kacha enweta ụdịrị ndị a bụ n'okporo ụzọ bekee. Mgbe ụfọdụkwa, ọtụtụ ụmụ nwaanyị ndịa na-esi n'ulọ di ha aga be nwoke ọzọ. Ha na enyi ha merecha ihe sọrọ ha, ha alọghachi n'ụlọ di ha. Anyị hụrụ akwụna dịka nwaanyị nọ na di na nwoke ọzọ inwe mmekọrịta ekwesighi ekwesi m a ọbụ ịkwa iko

Esemokwu, ekworo, mbisa di na nwunye na alụkwaghịm nke dị n'etiti di na nwunye n'ala Igbo taa bụzị ihe ịgba anya mmiri. Ọ bụghị etu a ka ọ dị n'oge gboo. Otu ihe gbara ọkpụrụkpụ na-ebute nsogbu a bụ akwụna nke ụmụ nwaanyị nọ na di na-agbazị ugbu a. Ọ bụ n'ihi nke a ka anyị ji baa ọhịa nchọcha n'isiokwu a iji mee ka ụmụ nwaanyị Igbo na ndị mba ụwa gbaa gbururgburu ghọtazie ihe bụ akwụna na ihe so ya.

Mbumnuche bụ ịchọpụta agwa e ji ama ụmụ nwaanyị nọ na di agba akwụna n'ihi na ọtụtụ ụmụ nwaanyị na-esi n'ụlọ di ha aga nwoke ọzọ ma lọghachitakwa n'ụlọ di ha ma ha garachaa.

Nchọcha a ga-enyere ndị di ụmụ nwaanyị dị etu a aka ịmata ihe ha na-eme site n'akparamaagwa ha n'ihi na ndị odee agụmagụ na-esebata ihe na-eme n'ụwa n'ime agụmagụ ha.

Anyị họpụtara iduuazị atọ lebara anya n'isi okwu a kpụ n'ọnụ bụ *Isi Akwụ, Dara N'Ala*, *Onye Chi Ya Akwatughi,* na *Ọdị Ụkọ na Mba*, gụọ ha ugboro ugboro wee chọpụta ihe bụ njirimara ụmụ nwaanyị nọ na di agba akwụna. Ọ bụ ihe ndị anyị chọpụtara n'ime iduuazị atọ a ka anyị tụchara njiatule anyị.

2. Atụtụ ndị metụtara Isiokwu

2.1 Atụtụ nzaghachi ọgụụ

Atụtụ nzaghachi ọgụụ gbadoro ụkwụ n'ọgụgụ agụmagụ, ọ kachasị etu ọgụụ siri hụta ọrụ agụmagụ. Dịka atụtụ agụmagụ, nzaghachi ọgụụ na-ajụ ajụjụ atọ ndị a: Nzaghachi dị iche iche a na-enye agụmagụ ọ na-ewete otu ụdị ọgụgụ? Ọrụ agụmagụ ọ ga-enwe ike ịbụnwu ntapịa dị iche iche ndị ọgụụ ga-enye ya? E nwere agụmagụ dị mkpa karịa ibe ya?. Atụtụ nzaghachi ọgụụ na-enyekwa ụkpụrụ e ji aghọta ihe a gụrụ nakwa ụzọ a ga-esi mata etu odide agụmagụ si emetụta nghọta. Ubi (2017) kọwara na ndị na-agụ maka nsiripu agụmagụ kwuru na atụtụ nzaghachi ọgụụ malitere n'afọ 1970 mana ya bụ atụtụ malitere tupu senchuri iri abụọ n'omenala ndị Grik na Rom ndị hụtara agụmagụ dịka ụzọ e si amata echiche ọgụụ gbasara akwụkwọ agụmagụ ọ gụrụ.

Richard (1929) Chọpụtara ụzọ dịgasị iche iche ọgụụ nwere ike isi mata adịmọhụrụ ọrụ agụmagụ site na mmetụta ọrụ agụmagụ ahụ nwere na mmụọ ha. Dịka Richard siri kwuo, e nwere anya ndị ọgụụ ji ahụta ụfọdụ agụmagụ. Ụfọdụ bụ anya ọjọọ ebe ụfọdụ bụ anya ọma.

Ọ bụ anya dị iche iche ndị ọgụụ ji ahụta agụmagụ ka a na-agbakwasa ụkwụ na ya mgbe e ji atụtụ nzaghachi ọgụụ atụcha agụmagụ. Ọ bụrụ na ọtụcha ji atụtụ nzaghachi ọgụụ atụcha iduuazị Igbo dịka *Isi Akwụ Dara N'ala* nke Ubesie dere, o nwere ike ileba anya etu ndị ọgụụ si hụta mkpebi Chike ịchụpụ Ada mgbe Ada bịara ịrịọ ya ka ọ nabata ya mgbe agha biri. Na ntụcha ya, o nwere ike ịhụta ndị ga-akwado mkpebi Chike na ndị ga-ata Chike ụta maka mkpebi ya.

Atụtụ nzaghachị ọgụụ bara uru na nchọcha n'ihi na ọ ga-enyere ọgụụ aka ichemi echiche nke ọma tupu ọ kwado maọbụ katọ ihe ndị mere n'ime agụmagụ. Ọ ga-enye aka ịnagide ntapịa ọchọcha nyere akwụkwọ agụmagụ ndị a o ji mee nchọcha ya. Ọtụtụ mmadụ chere na o nwere agụmagụ dị mkpa karịa ibe ya. Atụtụ a ga-eme ka ha mata na o nweghi agụmagụ dị mkpa karịa ibe ya. Nke a ga-enye aka kwalite mmasị ụmụakwụkwọ ịgụ na ime nchọcha n'agụmagụ Igbo nke ga-eme ka ọkụ a gụnyere anyị n'aka ghara ịnyụ.

2.2.Atụtụ mmụta mmekọrịta mmadụ na ibe ya

Atụtụ a sitere n'aka Bandura (1977) nke na-ekwu na mmadụ na-amụta ihe site n'ịhụ ihe onye ọzọ mere, etu o siri mee ya, ihe nlụpụta maọbụ ihe onye ahụ nwetara site n'ihe ahụ o mere. Atụtụ a na-egosị na ọtụtụ agwa ndị mmadụ na-akpa bụ ihe ha mụtara site n'ihe onye ọzọ merela mbụ. Bandura kwuru na atụtụ a dị mma iji kụziere ụmụaka ihe n'ezinụlọ, n'ụlọakwụkwọ nakwa n'ụlọọrụ. N'otu aka ahụ, atụtụ Bandura na-egosị na agwa nne na nna, ndị nkụzị, na ndị isi n'ụlọọrụ dị iche iche na-emetụta agwa ndị na-ahụ ihe ahụ ha na-eme. Ihe atụ, ọ bụrụ na onye isi ụlọakwụkwọ na-abịa akwụkwọ n'azụ oge mgbe niile, n'oge adighị

anya, ndị nkuzi nọ n'okpuru onye isi ahụ ga-amalite bịawa n'azụ oge. Atụtụ mmekọrita mmadụ na ibe ya dabara n'isiokwu nchọcha anyị n'ihi na akwụna bụ agwa ọjọọ na-esite n'aka otu onye baa na nke onye ọzọ site na mmekọrịta na mmụta.

2.3 Ihe ndị e derela metụtara isiokwu

Ezechukwu (2015) mere nchọcha ya n'akanka na nghọta agụmagụ *Ọdi Ụkọ Na Mba* na *Onye A Na-Eche*. O lebara anya na ndịnisiokwu akwụkwọ abụọ ndị a, atụmatụokwu ha, atụmatụuche, okwu mbite na olumba, tinyere myiri na ndịiche dị n'iduuazị abụọ o nyochara.

Mbumnuche nchọcha ya bụ ichọpụta ka alụmdi na nwunye nwere ike isi bute ọganiihu maọbụ ntisa ezinụlọ. O wepụtara ma kọwaa ka odee *Ọdi Ụkọ Na Mba* na *Onye A Na-Eche* si were atụmatụokwu na atụmatụuche gosịpụta isiokwu alụmdi na nwunye na iwepụta myiri na ndịiche dị na ngosịpụta iduuazị abụọ ahụ.

Ezechukwu (2015) chọpụtara ihe ndị a: ọ chọputara na iduuazị abụọ a sitere ka ọnọdụ siri kwụrụ, gosịpụta ọnọdụ ezinụlọ ụfọdụ a na-ahụtagasị n'oge ugbua dịka nsogbu ịdapụta n'etiti di na nwunye nke nwere ike ibute ntisa. Ọ chọpụtakwara na odee iduuazị ndị a gwakọrọ ntọoge oge gboo na nke ugbua. Ndịiche ọ chọpụtara gụnyere: ebe a kpọgasịrị aha dị iche iche, *Ọdị Ụkọ Na Mba* kpọrọ ebe ndị a ma ama dịka Enugu, Lagos Ụmụahịa na Cameroon mana ọ dịghị etu a n'*Onye A Na-Eche*. Ọ chọpụtakwara na echiche etu nna ndị pụtara ihe n'iduuazị abụọ a o nyochara si hụta alụmdi na nwunye abụghị otu ihe. Ọ chọpụtakwara na e gosịpụtara nwaanyị na-ebute nsogbu n'ezinụlọ n'*Ọdị Ụkọ Na Mba* ma gosịpụta ụmụ nwaanyị na-eweta udo n'ezinụlọ *n'Onye A Na-Eche*. Ọ chọpụtara na *Onye A Na-Eche* gosịpụtara nkwenye nke bụ na onye tọrọ mmadụ na-ebu ụzọ alụ di maọbụ nwaanyị ma ọ pụtaghị ihe n'*Ọdi Ụkọ Na Mba*. E gosịpụtara ịgba alụkwaghịm n'*Ọdi Ụkọ Na Mba* ma gosịpụta ụmụ nwaanyị kwụdosiri ike n'ebe di ha nọ n'agbanyeghi nsogbu ọbụla dapụtaranụ na ndụ ha n'*Onye A Na-Eche*.

Ezechukwu chọpụtakwara na ụfọdụ agwa odee kpụrụ metụtara akparamagwa ha. Ndịnisiokwu pụtara ihe n'iduuazị abụọ o nyochara yitere onwe ha. Ezechukwu (2015) chọpụtakwara na odee a gosịpụtara echiche ha nke ọma n'iduuazị ndị o nyochara nke bụ na ọgụụ na-enwe mkpali mmụọ ịgụrụ na-aga rue mgbe ọ gụchara ya bụ iduuazị. Ha abụọ nyekwara nkọwa okwu olumba n'azụ iduuazị abụọ a iji mee ka ọgụụ ghara inwe nghọtahie.

Myiri dị na nchọcha Ezechukwu (2015) na nchọcha a bụ na Ezechukwu lebara anya, n'akanka *Ọdi Ụkọ Na Mba* nke bụ otu n'ime akwụkwọ iduuazị nchọcha a ji arụ ọrụ. O gosịpụtara agwa nwaanyị na-ebute ntisa n'ezinụlọ nke bụkwa ihe nchọcha a chọrọ ichọpụta. Ọzọ, nchọcha Ezechukwu lebara anya na ndịnisiokwu dị n'iduuazị abụọ ma nchọcha a na-eleba anya na ndịnisiokwu dị n'iduuazị atọ. Mz. Ezechukwu lebara anya n'obibi ndụ nwaanyị nọ na di na-ewete ntisa na udo n'ezinulọ ebe nchọcha nke a na-eleba anya na akwụna ụmụ nwaanyị nọ na di.

Okoro (2015) nyochara Akanka. O lebara anya n'usoro akụkọ, kaesirihụ, olu odee, nkaasụsụ, ọdịdị ụdaasụsụ, ọdịdị mkpụrụokwu, atụmatụuche na ọdịdị ahịrịokwu.

Mbumnuche nchọcha Okoro (2015) bụ ịtụlite mmụọ ọtụtụ ndị chere na agụmagụ Igbo abụghị ihe e kwesịrị ilebara anya kama nke ndị Bekee na inyere ndị ịgụ agụmagụ Igbo na-ara ahụ

aka ịmata na mmadụ ekwesighị ilelị asụsụ onye anya. Okoro chọpụtara na odee ji asụsụ bụ ịgba depụta iduuazị ya nke ọma. Ọ chọpụtakwara na odee iduuazị o nyochara gbadoro ụkwụ n'ahụmahụ nke ndụ, n'ihe gbasara ndị ọchịchị obodo, ndụ ndị mmadụ na-ebi, ọnọdụ n'ụlọakwụkwọ, ọnọdụ ezinụlọ nakwa mkpebi mmadụ na-eme na ndụ. Nchọpụta ya gosịrị na odee ji asụsụ nkà, okwu mbite, atụmatụokwu, atụmatụuche rụọ ọrụ nke ọma. O jikwa ahịrị ajụjụ mee ka ọgụụ chemie echiche ime tụgharịkwa ihe ndị ọ na-agụ n'obi ya wee tinye onwe ya n'ọnọdụ ọ na-agụ maka ya n'iduuazị a.

Myiri dị na nchọcha Okoro (2015) na nchọcha a bụ na ha abụọ na-eleba anya n'agụmagụ. Mana ndịiche bụ na ihe ndị Okoro (2015) lebara anya bụ akanka odee otu iduuazị ebe nchọcha a na-eleba anya na ndịnisiokwu "Ịgba akwụna nwaanyị nọ na di" n'akwụkwọ iduuazị atọ.

Ezebube (2016) mere nchọcha banyere ikikere mmadụ nwere ịchịkwa agwa maọbụ ịchịkwa ụbụrụ mmadụ ọzọ dịka ọ dị n'iduuazị Ubesie, nke a kpọrọ *Isi Akwụ Dara n'Ala* na iduuazị Ubesie ndị ọzọgasị.

Mbunuche ya bụ ịtụcha ka mmadụ pụrụ iji ike were ụbụbọ chịkwa agwa mmadụ. Ọ chọpụtara na a bịa n'*Isi Akwụ Dara n'Ala* nke Ubesie dere, e nwere ọmụmaatụ ebe e ji ụbụbọ chịkwa ụbụrụ mmadụ. Ọ kọwapụtara na tupu a lụọ agha, Ada bụ onye na-achọ di. Enweghi ndịdi ya mere ka ya na Obiọra mewe enyi. Obiọra na-achịkwa Ada, ọ gwaghị ya na ọ lụọla nwaanyị. Obiọra hụtara ya dịka ihe na-adighị mma Ada ịgwa ya mgbe ọ ga-abịa hụ nna ya. Nke a gosịpụtara na Obiọra nwere ike n'ihi na ọ bụ nwoke. Ọ chọpụtara na Chike nwere ike tupu agha adaa. Ọ bụ nke a mere mgbe ọ lụchara Ada, o ji ike o nwere wee gwa Ada ka ọ kwụsị ọrụ ya n'ihi na ya bụ Chike tozuru etozu igboro ya mkpa ya.

Myiri dị n'etiti Ezebube (2016) na nchọcha a bụ na nchọcha ya lebara anya n'*Isi Akwụ Dara n'Ala* nke bụkwa otu n'ime iduuazị nchọcha a na-eleba anya. Ndịiche ha abụọ bụ na ọ bụghị otu isiokwu ka ha na-eleba anya.

Atụtụ ntụcha njiatule

Atụtụ owuwu mmekọrịta mmadụ na ibe ya

Atụtụ owuwu mmekọrịta mmadụ na ibe ya na-ekwu maka nka mmụta mmekọrịta ọhaneze na nka mmụta nke na-elekwasị anya n'ihe ọmụma na eziokwu nke na-ewulite omenala na mmekọrịta nke mmadụ na ibe ya. Ọ na-eleba anya karịsịa n'ụgwọ ọrụ nke sitere na nkwekọrịta na mmekọrịta ọhaneze n'usoro omenala (Berger & Luckmann, 1966). Ọha mmadụ na-ekere oke dị ukwuu n'ịkpụzi etu anyị si ahụta ụwa site n'ịhazi ụkpụrụ na echiche ndị na-eduzi omume anyị n'obodo.

Atụtụ a na-ekwu na echiche ndị mmadụ nwere banyere eziokwu n'otu n'otu abụghị eziokwu kama agwa ha na-etolite site na mmekọrịta ọhaneze n'usoro omenala site n'oge ruo n'oge maọbụ site n'otu ebe ruo ebe ọzọ. A na-akwado atụtụ a site n'iwulite ụkpụrụ ndị na-emezi ọdịdị mmekọrịta ọhaneze n'ihe ọmụma na eziokwu (Gergen, 1999).

Atụtụ a na-ekwusi ike na o kwesịrị ka mmekọrịta anyị na ndị ọzọ n'obodo bụrụ ihe nlere anya. N'ihi nke a, asụsụ bụ ngwa ọrụ mwulite echiche nye ọha obodo (Foucault, 1972).

Ya mere, ihe ọmụma abụghị ihe zuru ụwa ọnụ kama ọ bụ ihe gbasara gburugburu ebe obibi na-emetụta omenala, akụkọ ihe mere eme na gburugburu ebe e kere ya bụ edemede (Vygotsky, 1978).

Butler, (1990) kwuru na ọha obodo na-ewu agwa ha site n'usoro mmekọrịta mmadụ na ibe ha site n'asụsụ nakwa omume nke na-egosị ogo, agbụrụ na klaasị onye ahụ.

3.2 Agwa e ji ama nwaanyị nọ na di agba akwụna

Ebe a ka a ga-akọwa n'ozuzu oke, mbumnuche nke nchọcha a dịka o si metụta akwụkwọ iduuazị atọ nchọcha a gbadoro ụkwụ na ha.

3.2.1 Okwu asị

Okwu asị bụ ikpu eziokwu ihu. Akwụkwọ mgbado ụkwụ anyị gosịri na nwaanyị nọ na di agba akwụna na-añụ asị ka mmiri iji kpuchie agwa ọjọọ ya. Ihe atụ, Ada nwunye Chike, Adamma nwunye Osita na Adaakụ nwunye Eze Ụzọchi tụrụ asị ugboro ugboro i ji kpuchie agwa akwụna ha.

N'*Isi Akwu Dara N'Ala*, Ada tụrụ asị ugboro ugboro, ndị gụnyere:

> "Kwa ụbọchi, ụmụ nwoke a na-echu be m ka a na-echu mmiri. M jụọ gị, ị sị na ha bụ ndị ahịa gị? Ugbua, kọwaara m ihe ị zụrụ ndị Soja mmadụ abụọ ndị a, ha ji bụrụ ndị ahịa gị?(81). "
> Ada sị ha na ọ bụ di ya nwe ụlọ ahụ, ma mgbe nwoke ahụ jụrụ ya ebe di ya bi, ọ sị ya na di ya anwụọla"(105).

Leenụ ka Ada siri gwa nwoke soja na di ya anwụọla n'ihi na ọ chọrọ ka ya na nwoke mere ọyị ha gawa. N'ala Igbo, ekpere nwaanyị lụrụ di bụ ka di ya dị ogologo ndụ ka ha abụọ tinye aka n'ọzụzụ ụmụ ha. Mana akwụna mere ka Ada tụọ ụdị asị dị etu a megide di ya iji gosị na Ada achọghị di ya ndụ ma ọlị. Nke a kpatara o ji kpọọ ndị enyi ya ha kpụga Chike n'amị ka o nwee ike mewe etu o si masị ya.

Adamma nwunye Osita, n'akwụkwọ *Onye Chi Ya Akwatughi*, na-atụ asị mgbe ọbụla Osita jụrụ ya maka akụkọ ọ na-anụ banyere ya na ụmụ nwoke na Bini.

> … "Otu ụbọchi ka asị niile ahụ Adamma na-asịrị Osita sere n'elu. Osita biara ka ọ nọnyere nwunye ya. Ka ọ batara, ọ hụghị Adamma. Ọ nọdụ ala chere ya. Ozigbo o weere oche nọdụ ala, ka nwoke ahụ bulatara ya ụbọchị gara aga bulatakwara ya ọzọ. Adamma feere ya aka, baa n'ụlọahịa ya. Osita si n'ime ụlọ ebe ahụ na-enyopụta anya, na-ekiri ihe dimkpa ibe ya na nwunye o ji ego ya lụta na-eje.
> Ozigbo Adamma batara n'ime ụlọ hụ di ya, ọ kụja. Osita jụrụ ya ebe ọ gara? Ọ si ya na ọ gara dupu enyi ya nwaanyị chọtara ya. Na ọ bụ mgbe ọ na-alọta ka ọ hụrụ onye ahịa ya n'ụzọ o were ụgbọala ya bulata ya."(114).

Asị nke a, a hụrụ n'anya kpaliri Osita, o wee kụọ Adamma ihe ụzụ kụrụ ogene n'abalị ụbọchị ahụ.

A bịa n'iduuazị *Ọdi Ukọ Na Mba*, Adaakụ Nwokeọcha nwunye Eze Ụzọchi sịrị asị megide di ya na Nwaanyịụgbọ n'ihi na ọ bụ nwaanyị chọwa ihapụ be di ya, ọ si na e ji abalị rọọ ya anya. Mgbe Ihemjieme nne ya bịara ile ya ọmugwọ ka ihe ndị a mere.

> "Biko gwa m etu unu si biri ebe a ka m mara ebe m nọ anọ." "Eze sịrị na m erughi ndị o ji aga egwu. Ọ pụọ n'uhuruchi, ọ lọta mgbe chi bọrọ. Nwanne ya Nwaanyịụgbọ ewere m mere odibo ya. M sichaara ha ihe, ha erie, ọ dị ha mma, ha enyetu m, ma ọ masịghị ha, ha erichaa ya". "Ọ kwa a sị na unu na nwanne ya bi?" "ee, anyị na ya bibu ma okwu seere ya na nwanne ya, ọ kụo Eze ihe tinka kụrụ ibe agbụgba, o wee chịrị ọsọ gbapụ n'ụlo Nwaanyịụgbọ".(38) Ọ bụ eziokwu na ha pụrụ n'ụlọ Nwaanyịụgbọ ma ihe ọ kọrọ mere ha ji pụọ bụ nnukwu asị.
>
> "ị maara na m nọ n'ụlọ mụọ nwa a? kweghi ịkpọ m aga ụlọọgwụ, ma matakwa na ndị ụlọọgwụ anaghị ana ya ego ọbụla maka na ọ bụ onye ọrụ ha. Chineke ekwekwala ihe ọjọọ!"(39).

Nke a abụghị eziokwu n'ihi na mgbe Adaakụ sachara ahụ n'isi ụtụtụ ụbọchị ahụ ọ mụrụ nwa bụ ụlọọgwụ ka ọ na-akwado ịga mana ime jituru ya ọ mụọ nwa ya ozigbo ahụ.

3.2.2 Ime nsi

Nwaanyị nọ na di agba akwụna, dịka akwụkwọ anyị họọrọ gosịri, ejighi ndụ mmadụ kpọrọ ihe. Ha na-adị njikere itinyere di ha nsi na nri iji wepu ndụ maọbụ imenyụ onye ahụ anya n'ụzo ọbụla ike kwere ha, iji wepụ ihe mgbochi ọbụla n'ụzo ha na ndị enyi ha nwoke.
N'Iduuazị Ubesie, Ada gosịpụtara nke a mgbe Okechukwu si amị lọta bachaara ya mba banyere ọnọdụ o dewere Chike. Ada wee kpebie ihe ọ ga-eme.

Ime nsi pụtara ihe n'iduuazị Ọfọmata mgbe Adamma natara ọgwụ Bola nyere ya ka o tinyere di ya na nri ka ọ nwụọ.

> O mechaa garị were nke Chibueze na ụmụ ya nye ha, tinye nke di ya n'afere were ọgwụ ghachanyere ya n'ofe, bupụtara ya ka o rie. Oge Osita si ahịa lọta agụụ na-agụsi ya ike, mana mgbe Adamma bupụtara nri ahụ afọ gbachiri ya. Ọ nọkata si ka o jisike rie nwantakịrị n'ihi na ọ maghi ma ọ bụ ịba na-abata ya n'ahụ. O rie garị ahụ nwantakịrị, kwọchaa aka ya. Adamma buru ofe ahụ o rifọrọ ga sachapụ ka onye ọzọ ghara imetu ya ọnụ. (137) OCYA.

Ka Osita richara ntakiri nri ahụ Adamma tinyere nsi, o nwetaghị onwe ya nke na o zipụrụ Chibueze ka ọ ga kpọọrọ ya Chinwe na di ya Chukwudị. Tupu Chinwe na Chukwudị erute, Osita enweghizi ike ikwu okwu. Ọgwụ ahụ enwetala ya nke ọma. Ọ naghịzi ekwe ya eku ume ọfụma. Chukwudi hulata ala maburu ya tinye n'ụgbọ ala ya gawa ụlọ ọgwụ, kwuo ego ndị dibịa bekee si ya kwuo. Ha malitere nyewe Osita ọgwụ mana ihe na-eme ya na akawanye njọ kwa ụbọchị. Mgbe Osita hapụrụ ụcha ọ na-acha, chawa ntụ ntụ, isi ya na-achazị anwụ anwụ ka Chukwudi gara Ụmụngwu ga bute nne na nna Osita ka ha bịa soro ha hụrụ ọnọdụ nwa ha nọ ugbu a na Bini.

3.2.3 Mkparị/Nlelị

Nwaanyị nọ na di agba akwụna na-eleli ma na-akparịkwa di ya n'ụzọ dị iche site n'okwu ọnụ, ije ụkwụ nakwa n'akparamagwa. Ubesie gosịpụtara ebe Ada leliri ma kparịkwaa di ya n'ihu ndị ọyị ya, n'ụzọ dị iche iche.

> "Ụbọchi Chike ji chọọ ịkwụ ụdọ bụ ụbọchị ndị Soja abụọ chọọrọ Ada bịa, kwụwa moto ha n'ezi, bịa jụọ Chike ma Ada ọ nọ ya? Chike jụrụ ha ndị ha bụ ma ọ dịghị nke tụpụrụ ya ọnụ, hapụ ya n'ezi ebe ahụ bakwuru Ada n'ụlọ. Akụkọ ha nọ n'ime ụlọ Chike na-akọ na ọchị ha nọ ebe ahụ achị abụghị ihe nwoke bi be ya ga-eji ntị ya abụọ nụ" (80) IADNA.

Omume ndị a Ada na-emeso Chike abụghị njiriamra ezigbo nwaanyị n'ala Igbo. Nwaanyị kwesiri ịge ntị mgbe di ya na-agwa ya okwu ma Ada anaghị ekwe di ya kwuo okwu ya fọduzieịge ya ntị.

> "Ada, ị si gịnị?
> A sị m di bụrụ ụdị nke mụ na gị nọ ebe a na-alụ, di gbakwaa ọkụ" Mgbe ihe dị mma, ihe Ada na-akpọ ya bụ nna ya ukwu, ma ọ bụ, nna Chukwuma. Ma ugbu a, ihe ọ na-akpọ ya bụ "Nwoke a" (87) IADNA.

"Ada ekweghi ka o kwupu ihe ọ kpụ n'ọnụ, fọwara ya mkparị n'akpa. O wee si ya, Chike ị sị na ọ bụ gị na-alụ m? ịrụ ụka adighị ya. Ugboro ole ka i nyerem ego nri, site mgbe a malitere ọgụ? Ugboro ole ka ị zụtara m uwe, site mgbe a malitere ọgụ? Ihe ị bịara ugbu a bụ ka m lụwa gị, nyewe gi ego nri. ị mụwara m nwa. Ụmụ nwoke niile nọ na be Ada chịrị ọchị n'ihe Ada kwuru, ma, o wutere ụfọdụ n'ime ha."(114) IADNA

Ada kunyeere Chike ụkwụ ọkụkọ n'osikapa o bunyere ya ka o rie n'ihu ndị enyi ya nwoke ma were ebe anụ na-adị nke ọma tinyere ndị enyi ya nwoke iji nye ya mkparị. Mgbe Chike rịọrọ ya ka o kutere ya anụ ọzọ ka o bidoro nyewe ya nke bụ mkparị. N'ala Igbo nwoke nwe eke ọkụkọ, anụ gbara ọkpụrụkpụ na ọnụ nri.

> "Chike, i na-ata ọkpụkpụ ọkụkọ na be gi, ma ya fọdụ ịta ụkwụ ya? ị họwala ihe ka ị ga-asi na o nwere nke dị na be gị. Ọta ahigbe amaghị na ihe gburu ahigbe. Ọ bụrụ na i rijuola afọ, gwa m ka m bịa buru nke dị n'afere."(125) IADNA.

E nwekwara ike ịhụta nke a dịka nnupu isi n'ihi na Ada jụwara isi inye di ya ezigbo anụ. Ihedigbo na Ihedigbo(2020) kọwara nnupu isi dika mmadụ ịkpacha anya hapụ ime ihe kwesiri ka o mee.

Di na nwunye kwesịrị irikọ nri ọnụ iji gosị onwe ha ịhụnanya ma Ada na Chike anaghịzị erikọ nri n'ihi na Ada achọghị ka Chike hụ ụdị anụ dị na nri nke ya. Ọ bụ nwatakịrị ka a na-asị buru nri gaa n'ala naanị ma ọ bụrụ na okenye chọrọ ịnọ ebe ahụ rie ihe ma ọ bụ na o nwere ihe dị mkpa nke a chọghị ka nwata ahụ nụ. Ma leenụ ka Ada siri gwa di ya okwu ka ụmụaka n'ihu ọyị ya nwoke. Ihedigbo na Ihedigbo (2019) kọwara na out njirimara ụmụnwaanyị bụ na ha bụ ndị dị nwayọọ n'okwu nakwa na omume. Nke a abụghị eziokwu n'ebe Ada na Chike nọ ugbu a.

Ọfọmata n'iduuazị *Onye Chi Ya Akwatughi*, gosịpụtara ebe Adamma nyere Osita di ya mkparị ma ọ bụ leliri di ya anya site n'akparamagwa ọjọọ ya na Bini.

> "Otu ụbọchị, Osita jụọ Adamma isi ahịa ọ na-ere. Ọ pụtara na ọ dịghị ihe ọ na-azụpụta na ya. Adamma gwa ya ka ọ kwụsị ịjụ ya ụdịrị ajụjụ ahụ n'ihi na ọ lụtaghị ya ka ọ bịa zụwara ya ahịa. Na ọ bụrụ na ọ kpasuo ya iwe, ọ kwụsị ịga ahịa kpamkpam" (106) OCYA.

Ezigbo nwaanyị na-enyere di ya aka n'ezinụlọ. Ọ bụrụ na ọ na-azụ ahịa, di ya ga na-ahụ uru ọ na-enweta n'ahịa ahụ ọ na-azụ site n'igote ụmụ ihe ụfọdụ na-akpa ezinụlọ ya dịka nnu, mmanụ, ose, na ihe ndị ọzọ ọ ga-azụtanwụ. Nke a adịghị na ndụ Adamma nwunye Osita n'ihi na ego ya niile na-abacha na ngwa o ji achọ onwe ya mma.

> Adamma na-eme otu o siri masị ya na be Osita ugbu a. Osita gbachiri ya nkịtị maka ọ maara na Adamma bụ ọnụ erugheru onye tupuru ya na-ahụsị anya. Ndị ha na Chinwe na-amụ ọrụ anaghị ekwe ya ezu ike n'ụlọ ọrụ ha ụbọchị ọ bụla ha bịara ọrụ. ha na-eji Adamma ama ya njakịrị na-asị ya na nwunye nwanne ya nwoke bụzi ọkụelu e nwere na Bini (126) OCYA.

Agwa nwaanyị nọ na di pụrụ ibutere di ya ugwu na nsọpụrụ ya mere ndị Igbo ji si na di bụ ugwu nwaanyị, nwaanyị bụrụ okpu eze di ya." Mgbe nwaanyị nọ na di na-agba akwụna, o reela ugwu di ya tọrọ n'ihu ndị ọha mmadụ.

N'otu aka ahụ, Okebalama gosịpụtakwara ebe nwaanyị nọ na di agba akwụna kparịrị di ya, nne ya nakwa nna ya. Ọ bụ n'agwa ọ kpọrọ Adaaku Nwokeọcha, onye bụkwa nwunye Eze Ụzọchi ka akparamagwa a pụtara ihe.

> Nwata akwawa akwa, Ihemjieme ebilie bia ikuru ya n'ihi ọ dịla anya kemgbe ọ kwawara ma ọ dịghị onye na-eghe ya ọnụ. Adaakụ atụgharịa baa "Laghachikwa azụ ugbu a. Emekatakwala metụ ya aka. Ọ dịghị nwa Ị mụọrọ m". Ihemjieme elegịde ya anya, shịị, gwuzoro ebe ahụ dị ka ihe a tụrụ atụ. Adaakụ arọọ ya anya, kpọọ ya uzughuzu mmadụ (62) ỌỤNM.

Ndị Igbo hụrụ ọmụgwọ dịka ọnọdụ nwaanyị mụrụ nwa na-anọ iji richie ọbara pụrụ ya n'ahụ mgbe ọ na-amụ nwa. Ọ bụ nne nke nwaanyị ahụ mụrụ nwa ka ọ dịịrị ile nwa ya ọmụgwọ. Ọnọdụ a bụ ezi ọnọdụ na-eweta ọñụ, obiụtọ na obi ruru ala nye nwaanyị mụrụ nwa, di ya na nne ya bịara ile ọmụgwọ. Ọ bụ nwaanyị ahụ bịara ọmụgwọ ka ọ dịịrị ilekọta nwa a mụrụ ọhụrụ anya ka nne nwa zuo ike. Adaakụ ekweghi ka nne ya metụ nwa ya aka mgbe ọ na-ebe akwa, ọ malitekwara kparịwa nne ya. Nke a na-egosị na o lelịrị nne ya anya. Mmekọrịta dị n'etiti Ada na nne ya riri mpe. Ọ bụ eziokwu na Ada agbawabeghi akwụna ebe a mana nke a agụsiwela ya ike. Obi ya apụọla ebe Eze nọ. Uche ya niile dị n'ịgba akwụna; ya mere o ji mepụta ụdị omume ndị akwụna a n'ihi na ihe mmadụ na-eche n'obi ya na-emetụta akparamagwa ya na ndụ.

> Ụkwụ ya gbaa na Cameroon, ọ ga-achọrọ ọrụ. Ego ya ga-aka nke 'ewu mmadụ ahụ si ya bụ Eze'. Kedu ihe ọzọ Eze ji awara ya anya, na ya bụ nwoke, nwoke nsị, nwoke nwaanyị na-atụ n'ala. Chineke meekwa ebere ka anụmanụ ahụ sị ya bụ Eze zọrọ ụkwụ abụo bịaruo Eziama bịa ịjụ ya ihe ọ bụla, ka edi gwu ya

> ọnụ. O mekata bịa, nke ahụ Nwaanyịụgbọ mere ya ga-abụ egwuregwu nke Adaakụ ga-eme ya ga-akpọla ya mmụọ. (75 & 76) ỌỤNM.

Nwaanyị kwesịrị ịhụ di ya dịka onyenwe ya. Nke a ga-eme ka ọ na-akwanyere di ya ugwu dịka onye isi ezinụlọ. Adaakụ enweghi nsọpụrụ, ọ bụ nke a mere o ji akpọ Eze nwoke nsị, anụmanụ na aha ọjọọ ndị ọzọ ọ kpọrọ ya juru ya afọ. Ọ bụ ya mere o jiri kwe onwe ya nkwa na ọ ga-edula Eze mmụọ ma ọ nwaa anwa zọọ ụkwụ n'Eziama.

> Unu ahụla na Ada nne unu eteela m nsị n'ihu ugbu a. Nke a bụ ọnwa ise o si Lagos kuru nwa ya lọta. Ihe ọ nọrọ n'ụlọ m a bụ ọnwa atọ ọ gbakwuru Ekwujuruka. N'ala Eziama taa, m mekata gaa ebe ahụ, ọ bụ ọsụ ka ndị ịnyom ebe ahụ ga na-amara m n'ihi ihe m na-echeghi eche nke ime ya eme Ada nne unu na Ekwujuruka na-akọ na mụ na nne unu mere (79) ỌỤNM.

Okoro Mmadụ bụ di nke abụọ Adaakụ lụrụ. N'ihi nleli Adaakụ na-eleli di ya ka Okoro jiri na-akwa mmakwaara maka nwunye ya na-egosị ya na ya gụrụ akwụkwọ, na-arụ ọrụ bekee n'ihi na o nweghi ihe di ya ga-eji emere ya nwoke. Nke a kpaliri Okoro ikwu okwu ahụ dị n'elu.

> A jụọ Eze ma o nwere ihe ọ ga-ekwu. Ọ sị na ya chọrọ ego ya na ụmụ ya , (n'ihi na ama agbaarala ya na Adaakụ amụọla otu nwa ọzọ na Cameroon).
> Adaakụ efelie.
> "Onye ohi nwa". Ọ dị nwa ị mụtara? Onye ode akwụkwo abaara ya na o mee fịm ọzọ na ọ ga-akwa iwu (113) ỌỤNM.

Mkparị na nlelị Adaakụ ebighi sọọsọ na be Eze nakwa be nna ya. O gosịkwara nke a n'ụlọikpe dịka ọ dị n'elu.

3.2.4 Oke nrecha/oke ịchọ mma

Nwaanyị ọbụla nọ na di agba akwụna na-enwe njirimara a, n'ihi na ọ bụ oke ịchọ mma ha na-agbasara ụmụ nwoke ozi ụdị mmadụ ha bụ na ihe na-adị ha mma. Ihedigbo, Ihedigbo na Nwachukwu (2023) kọwara ụmụ nwaanyị dịka ndị Chukwu okike wepụtara oge kepụta nke ọma karịa ụmụ nwoke. N'ihi nke a, ụmụ nwaanyị na ụmụ nwoke anaghị ama aka na mma. N'agbanyeghi, ụfọdụ ụmụ nwaanyị ọkacha ndị akwụna na-enyere Chi okike aka n'ahụ ha ịcho mma pụrụ iche. N'*Isi Akwụ Dara n'Ala*, Ada nwunye Chike ji oke ịchọ mma gosị ụdị mmadụ ọ bụ nke mere ka ndị soja were ya mere ofe nracha na ebe ezumike.

> Ma ọ dighị ụdị akwa ụmụ agbọghọ ji erecha nrecha, nke Ada na-adighị eyi ugbu a. Ọtụtụ ụmụ agbọghọ kwụsịrị ite uhie ọnụ n'ihi na ha maara nke ọma na ụbọchị adighị mma. Ma, nne nwaanyị dị ka Ada ka na-eteịrị uhie ọnụ. Ada sachara ahụ na-achọ onwe ya mma maka ije be ndị enyi ya nwoke (129) IADNA.
>
> Ada wee buru ụzọ mịchaa ọnụ ya, mee mkpụrụ aka ya ka onye na-ete ude, nyagharịa onwe ya ka ụgbọ anyịm, kwee n'isi ka ọtị, chọọ ka o rechaa nrecha na-aga…" (94) IADNA.

Akwa maọbụ ejiji e ji ama nwaanyị nọ na di n'ala Igbo bụ ukwu akwa abụọ na uwe elu, tinyere ịchafụ nwaanyị ahụ fụrụ n'isi. Ọ bụrụgodu na ọ chọrọ iyi uwe ndị ọzọ dịka ganwụ, na skeeti,

iwu ejighi ya ma ihe ọbụla o yi ga-ekpuchite ahụ ya nke ọma. Ma akwụna emeela ka Ada nwunye Chike biwe ndụ ụmụ agbọghọbịa n'ihi na ọ bụ ọ nọ na di achọ di. Agwa a abụghị njirimara nwaanyị nọ na di n'ala Igbo.

Ọfọmata webatakwara oke nrecha n'iduuazị ya iji gosịpụta na o so n'agwa e ji ama nwaanyị nọ na di agba akwụna. Ụdị mma Adamma nwunye Osita na-achọ onwe ya tupu ọ gawa ahịa na-agba ama ụdị mmadụ ọ bụ. Ọ bụ n'ihi oke nrecha a ka ụmụ nwoke ji esogharị ya.

> Adamma anaghị ele ndị na-abịa azụ ya ahịa anya. Ọ na-emeso ha omume ka a ga-asị na ọ bụghị ihe ahụ ha na-azụ ya ka o ji eriju afọ. Mgbe ụfọdụ, ịchọ mma akara ya ire ahịa mma (95) OCYA.

> "Osita maara nke ọma na ọ bụ agụgọ ka ọ na-agọ maka ụdị mma nwunye ya na-achọ tupu ọ gawa ahịa na-egosị ya na nwunye ya bụ ụdị nwaanyị ụkwụ pụrụ n'ezi" (107) OCYA.

Ụmụ nwaanyị nọ na di kwesịrị idebe onwe ha ọcha mana oke nrecha abụghị maka ha n'ihi na ha abụghịzị ụmụ agbọghọbịa. Ihe ụmụ agbọghọbịa ji eme oke nrecha bụ ka ha nwee ike hụta nwoke ga-alụ ha. Nwaanyị ọbụla nọ na di na-eme oke ntecha na-akpọ ụmụ nwoke oku.

3.2.5 Oke akpịrị/Enweghi afọ ojuju

Mgbe mmadụ na-ata abacha, arọ akpụ anya onye ahụ enweghi afọ ojuju, ọ bụkwa onye oke akpịrị. Nke a bụ otu njirimara nwaanyị nọ na di agba akwụna. Lee ka o siri pụta ihe n'akwụkwọ iduuazị nchọcha a gbakwasara ụkwụ. Ubesie gosịpụtara enweghi afọ ojuju na ndụ Ada nwunye Chike. Ada tagidere ọkụkọ, e wee gwuoro ya olulu ebe ọ na-awunye ọkpụkpụ ọkụkọ.

> "Kwa ụbọchị, Ada na-egbu otu ọkụkọ, were na-ete ofe. Chike ji anya ya ahụ ya ma ọ na-egbu ọkụkọ ndị a. Ọ naghị akpọ nwoke nọ nso ka ọ bia gbuoro ya ọkụkọ dịka ụmụ nwaanyị ndị Igbo si eme. Ọ na-eji aka ya egbu ya. O ji ya ete ofe. Chike na-anụ ụtọ okụko ahụ n'ofe, ma ọ dịghị ụbọchị ọ tara anụ ọkụkọ e ji tee ofe" (133 & 134) IADNA.

> O jechaa be ndị enyi ya n'ogige ndị amị, ọ lọta na mgbede, ihe ọ ga-anọ bụ ịgbakọ ego a zụtaara ya n'ahịa n'ụbọchị ahụ. Ọ gbakọchaa, nwatakịrị na-agbara ya odibo ebupụtara ya ozu ọkụkọ ọ na-ata (91) IADNA.

.

Ọfọmata gosịpụtakwara akparamagwa enweghi afọ ojuju na ndụ Adamma nwunye Osita n'iduuazị *Onye Chi Ya Akwatughi,...*zipụtara nke a n'ihuakwụkwọ 96 mgbe odee siri:

> "Onye ọbụla maara ihe anaghị ajụ Adamma ma ọ na-erekwa ahịa ya kama ọ jụọ ya ma ọ na-erichakwa ego ọ na-azụta n'ahịa. Ọ bụghị naanị na ọ na-ericha ego e jiri bidoro ya ahịa bụ nsogbu, kama ọ bụ na ọ naghị ekwe ka Osita zuo ike. Mgbe ọbụla ọ na-ana Osita ego ka a ga-asị na Osita na-amị ego. Na mgbe nsogbụ dị n'aka Adamma jiri bido riwa ibe ya elu bụ oge ọ mụtakwaara Osita nwa. Osita tachara ahụhụ na nwa izizi Adamma mụọrọ ya, ahụhụ alaa. Ọ dịghị ụdị ihe ọñụñụ nwata na-añụ Adamma asịghị Osita zụtara nwa ahụ ọ mụrụ. Ọ si ya zụta ụdị nke a taata, echi ọ sị ya zụta ụdị ọzọ. Osita lọtawa ahịa hapụ ịzụta

> ya, ọ kpọtụwara ha abụọ. Ka Osita na-azụrụ nwa Adamma ihe ndị a, ka ọ na-azụkwuru Adamma nke ya" (105) OCYA.

Ụmụ nwaanyị lụrụ di kwesịrị ịbụ ezi odozi akụ di ha ma na-adịkwa njikere inyere di ha aka dịka ezi onye enyemaka. Kama Adamma ga-abụrụ odozi akụ Osita, o mee onwe ya naanị oriakụ, na-achọzi irikpọ akụ Osita

3.2.6 Obi ọjọọ/enweghi mgbaghara.

Ụmụ nwaanyị ndị nọ na di agba akwụna n'iduuazị atọ a gbadoro ụkwụ nwechara ajọ obi nke na-eme ka ha ghara ịgbaghara ihe ọbụla e mere ha, kama ha na-achọ ụzọ ịbọrọ ụgwọ n'ụdị onye ahụ ga-ama na ọ bụ nwaanyị wara anya ka ya na ha na-emekọ ihe.

N'*Isi Akwụ Dara N'Ala,* Ada nwunye Chike gosịrị ajọ obi ya site n'akparamagwa ya n'ebe di ya, ụmụ ya na nne di ya nọ. Ọ bụ ajọ obi ya mere o ji hapụ di ya, ụmụ ya abụọ na nne di ya gaa biri iche na Nanka.

> "Mgbe ọ gara abalị anọ nke a mechara, ọ kpọọ Chike, si ya na ya chọrọ ije Nanka je biri maka na ọ bụ ebe ya ga na-ahụ ndị ya ga na-atụ ahịa. Ọ nọ ebe ahụ na-azụ ahịa nnu, na-erekwa onwe ya kobo"(88) IADNA.

Nwaanyị mejọrọ di ya kwesịrị ịrịọ mgbaghara mana Ada emeghi nke a kama o kpebiri ị ga biri naanị ya na Nanka hapụ ezinụlọ ya n'Agụata.

> "…O wee rịọ Ada si ya kutere ya anụ ọzọ, n'ihi na ya amaghị ebe ya ga-esi wanyewe eze n'ọkpụkpụ dị n'ụkwụ ọkụkọ. Chike, ị na-ata ọkpụkpụ ọkụkọ na be gị ma ya fọdụ ịta ụkwụ ya" (125) IADNA.

Ọ bụ nna ezinụlọ kwesịrị ịta eke ọkụkọ na ebe ndị mara mma n'ọkụkọ ahụ Ada siri ma obi ọjọọ Ada nwere ebe Chike nọ mere ka o kunye ya ụkwụ ọkụkọ.

> … "Ọtụtụ ihe malitere gbatawa ya n'uche. Nke mbụ bụ inyegbu Chike na nsi. Nke abụọ bụ ịkpụnye ya n'amị. Nke atọ bụ ịhapụrụ ya ụlọ gbapụ" (174) IADNA.

Ihe ndị a niile o chere n'echiche bụcha ihe ọjọọ nke gosịrị ya dịka onye ajọ obi. Ada refuru ụgbọala Chike mgbe ọ kpụnyechara ya n'amị n'ihi na o nwere olile anya na Chike agaghị adị ndụ lọta. Na ọ bụrụ na agụụ egbughị ya, mgbọ egbe atụgbuo ya.

> "Taa ka ndị mmadụ ziteere ya ozi na Ada ereela ụgbọala ya. Ụfọdụ si na ha amaghị ma ọ bụ ndị enyi ya ka o bunyere ụgbọ Chike" (182) IADNA.

N'otu aka ahụ, Ọfọmata gosịpụtara ajọ obi Adamma na enweghị mmụọ mgbaghara mgbe o tinyeere Osita nsi na nri. Ajọ obi ya mere o ji hapụ di ya na ụmụ ya abụọ (Somtoo na Amobi) soro enyi ya nwoke Bola lawa Lagos.

> O mechaa garị were nke Chibueze na ụmụ ya nye ha, tinye nke di ya n'afere were ọgwụ ghachanyere ya n'ofe, bupụtara ya ka o rie. Oge Osita si ahịa lọta agụụ na-agụsi ya ike, mana mgbe Adamma bupụtara nri ahụ afọ gbachiri ya. Ọ nọkata si ka o jisike rie nwantakịrị n'ihi na ọ maghi ma ọ bụ ịba na-abata ya n'ahụ. O rie garị ahụ nwantakịrị, kwọchaa aka ya. Adamma buru ofe ahụ o rifọrọ ga sachapụ ka onye ọzọ ghara imetu ya ọnụ. (137) OCYA.

Ndị Igbo na-ekwu na echiche mmadụ chere gbuo onwe ya abụghị echiche otu ụbọchị. Adamma chere ihe ndị a o mere n'echiche ya ọtụtụ ụbọchị ma n'ihi obi ọjọọ o nwere, o nweghi nchegharị ọbụla. Ọ gara n'ihu tinyere di ya ọgwụ na nri ka ọ nwụọ ma kakwaa obi hapụ ụmụ ya abụọ gawa ebe sọrọ ya na-enweghị obi nne ebe ụmụ ya nọ.

> "Adamma si ya ọ bụrụ na ọ ga-anwụ, ọ nwụọ n'ihi na onye ọbụla tara ya arụ n'isi na-asọghị ụbụrụ ya, na ọ ga-ata ya n'ike na ọ gaghị asọ nsị"(137) OCYA.

Okwu a na-egosị enweghi mgbaghara ebe Adamma nọ.

Obi ọjọọ dị Adamma n'ọbara nke kpatara o ji tinyere Osita ọgwụ na nri ka ọ nwụọ. O gosịkwara Bola enyi ya nwoke ajọ obi mgbe o kpebiri na ọ gaghị ahapụ Bola aka n'akwa ruo mgbe ihe niile biri n'etiti ha. Ọ bụ ajọ obi ya mere ka Bola kụọ ya ihe ụzụ na-akụ ogene wee chụpụ ya n'ụlọ o bi, o wee ghọzie akwụna n'ụlọ oriri na ọñụñụ ukwu dị na Lagos.

A bịa n'Iduuazị *Ọdị Ụkọ Na Mba*, Okebalama gosịpụtara ebe Adaakụ zipụtara ajọ obi nakwa mmụo enweghi mgbaghara n'otu ụzọ maọbụ nke ọzọ. Ọ bụ ajọ obi Adaakụ mere mgbe Eze Ụzọchi di ya na-arịọ mgbaghara ihe ọbụla o mejọrọ ya, Adaakụ kechiri obi ya wee kpebie na ọ ga-alụgharịrị di ọzọ.

> "Eze nọrọ n'ụlọọgwụ abalị abụọ ma Adaakụ enyoghi anya, Ada nne ya ajụghị ihe gbasara ya. Mgbe Eze lọtara, hụ Adaakụ, ọ kpọọ ya, Adaakụ wee sị:
> "Ọ bụ gịnị?"
> Eze achịa, jụọ ya:
> "A sịkwanụ na m nwụrụ ị gaghị akwa akwa? Mgbe ị nwụrụnụ, ugbu a, ị ka dị ndụ. ahụ wee jụọ ya oyi.
> "Adaakụ, biko wetuo obi gị,

Ọ bụna mgbe Eze chọrọ ka udo chịwa n'ezinụlọ ya nakwa ka ya na Adaakụ na-ebi n'udo, Adaakụ ekweghị.

> "A-a! Adaakụ, wetanụ ihe ka anyị rie". Kedụ mgbe anyị malitere rikọtawa nri? Ka anyị ga-amalite taa n'ihi na ụkwụ i ji aga ụlọ oriri adịkwaghi?" (8) ỌỤNM.

Ọ bụ Adaakụ nwunye Eze Ụzọchi kwuru okwu a mgbe di ya na-emeso ya omume ọma iji rịọ ya mgbaghara ihe ọjọọ o mere ya n'oge gara aga. Omume ya a adabakwaghị na nkọwa agwa na olu ụmụ nwaanyị dị ka Ihedigbo na Ihedigbo (2019) si kọwaa.

5.1 Nchịkọta na Mmechi

Nchọcha a lebara anya na njirimara nwaanyị nọ na di na-agba akwụna dịka o si metụta iduuazị atọ a gbadoro ụkwụ wee mee nchọcha a. Iduuazị atọ a bụ: Ubesie (1973), *Isi Akwụ Dara N'Ala*, Ọfọmata (2000), *Onye Chi Ya Akwatughi* na Okebalama (2003), *Ọdị Ụkọ Na Mba.* Mbumnuche nchọcha a bụ ịchọpụta ihe bụ akparamaagwa e ji ama nwaanyị nọ na di agba akwụna.

Anyị chọpụtara na e nwere agwa e ji ama nwaanyị nọ na di agba akwụna nke gụnyere: Okwu asị, ime nsi, ịbọrọ ụgwọ/ọbọ, enweghi mgbaghara, enweghi nsọpụrụ, oke nrecha, anya ukwu na enweghi afọ ojuju. Isi agwa atọ anyị jị mee nchọcha ñụrụ asị ka mmiri, kparịa dị ha n'ụzọ dị iche iche ma bọrọ ụgwọ ihe ọjọọ di ha mere ha . Ọ bụ naanị Adamma nyere di ya nsị ndị

ọzọ bọrọ ọbọ n'ụzọ ndị ọzọ dị iche iche. Oke nrecha ha na-erecha na-akpọtara ha ụmụ nwoke nke ha na ha na-eme enyi. Enweghi mgbaghara butere ha ọtụtụ ọbọ na ime nsị dịka ọ dị n'*Onye chi ya Akwatughi*. Anya ukwu na enweghi afọ ojuju buteere ha nleli na mkparị ebe ndị di ha nọ. Nchọpụta gosikwara na asị niile ha tụrụ chee na ha na-ezochi onwe ha mechara bụrụ ihe gbara n'anwụ

Nrụaka

Bandura, A. (1977). Self-efficacy: Toward a unifying theory of behavioral change. *Psychological Review, 84*(2), 191–215. https://doi.org/10.1037/0033-295u.84.2.191

Berger, P.L. and Luckmann, T. (1966) *The Social Construction of Reality: A Treatise in the Sociology of Knowledge.* Doubleday & Company, New York.

Butler, J. (1990) *Gender Trouble: Feminism and the Subversion of Identity*. Routledge, New York, 33.

Ezebube, C.C. (2016). Gender and power in Ubesie's novels: A critical discourse analysis. Amụma M.A., Ngalaba Linguistics, Igbo na Asụsụ Naijiria ndị ọzọ, Mahadum Naijiria Nsukka.

Ezechukwu, C.G. (2015). Akanka na nghọta agụmagụ *Ọdị Ụkọ Na Mba* na *Onye A Na-Eche.* Arụmarụ nzere B.A., Ngalaba Lingwistiiks na Asụsụ Naijiria Ndị Ọzọ, Mahadum Naijiria, Nsụka.

Foucault, M. (1972). *The Archeology of Knowledge*. London: Routledge.

Gergen, K. J. (1999). *An Invitation to Social Construction*. Thousand Oaks, CA: Sage.

Ihedigbo, R. & Ihedigbo, L. (2019) Feminine violence in Onyemachi Benvolio's *Jewel* and its Emancipation in Chimamanda Adichie's *We Should All Be Feminists. Ideal International Journal of Igbosholars Forum, Nigeria* Vol 12(2) Awka: Igboscholars Forum, Nigeria.

Ihedigbo, R. & Ihedigbo, L. (2020) Motifs in Selected Women Folktales of Oku People of Cameroon. *Igbo Scholars International Journal of Igbo Scholars Forum.*Vol 13(1). Awka: Igboscholars Forum.

Ihedigbo, R., Ihedigbo, L.& Nwachukwu, V. (2023). Vulgarity In Selected Nigerian Male Afrobeats Music. *Icheke Journal of the Faculty of Humanities*. Vol 21(3) www.ichekejournal.com.

Nwadike, I.U. (2005) *Ụwa bụ agha*. Enugu: Format Publishers.

Ọfọmata, E.C. (2000). *Onye chi ya akwatughi*. Enugu: Format Publishers (Nig) Ltd

Okebalama, C.N. (2003). *Ọdị ụkọ na mba*. Enugu: Magnet Business Enterprises Nig.

Okoro, M.O. (2015). Akanka Adaeze. Arụmarụ nzere B.A, Ngalaba Lingwistiks Na Asụsụ Naijiria Ndị Ọzọ, Mahadum Naijiria, Nsụka.

Richards, I.A. (1929). *Practical Criticism: A Study of Literary Judgment*. London: K.Paul, Trench and Trubner.

Ubesie, T.A. (1973). *Isi Akwụ Dara n'Ala:* Ibadan University Press.

Ubi, E.O. (2017). *Reader response criticism.* Na B.M. Mbah (Ed), *Theories of Contextual Linguistics:* Articles in honour of Professor Gabrilla Ihuaruugo Nwaozuzu (PP. 224-243). Awka: Amaka Dreams Ltd.

Vygotsky, L. S. (1978). *Mind in Society: The Development of Higher Psychological Processes.* Massachusetts: Harvard University Press.

Mgbakwunye

Nchịkọta *Isi Akwụ Dara n'Ala*

Isi Akwụ Dara N'Ala bụ akụkọ a rọrọ arọ nke Ubesie dere n'afọ 1973. Akụkọ dị n'akwụkwọ a bidoro n'akụkọ nwagbọghọbịa a kpọrọ Ada Okafọ. Ada Okafọ na arụ ọrụ oyibo na-enweta ego kwa ọnwa mana otu ihe kọrọ ya bụ di. Agụụ di na-agụ ya mere ka ọ daba n'aka Obiora n'ụlọ ọrụ ha, ha abụọ wee bụrụ enyi mana Ada amaghị na Obiora alụọla nwaanyị. Mgbe Ada chọpụtara na Obiora alụọla nwaanyi, o were iwe bie enyi ha.

Ada mechara daba n'aka Chike, ha abụọ wee lụọ, mụta ụmụ abụọ Chukwuma na Obianuju. Chike bụ odogwu nwoke, o nwere ego nwekwara osisi na-amị ego. ọ gwara Ada ka ọ kwụsị ọrụ n'ihi na ya bụ Chike zuru igboro ya mkpa ya. Ha abụọ na-ebi n'udo ma na-egosịrita onwe ha ihunanya. Ka o ruru n'afọ 1967, agha Biafra na Naijiria malitere. Chike na ezi na ụlọ ya gbapụrụ n'Enugu ebe ha bi lawa be ha bụ Awka sikwa ebe ahu gbapụ gbaga Agụata. Agha mere ka ọgaranya ghọọ ogbenye nke bụ na Chike enwghikwa ike inyenwu ezi na ụlọ ya nri. O rere redio ya na akwa ndina ha were ego ya mepeere Ada ahịa nnu.

Ada bidoro nwetawa ego n'ahịa ahu ọ na-azụ, nke a meziri ka ọzụzụ ezi na ụlọ ya dizie n'ubu Ada, kama ọ ga-eme ya na nrube isi, mpako na mmegheri agwa wee bata. O bido gbawa n'ezi. Ndị enyi ya nọ amị na-eme Chike ka o siri masị ha. Ada mechara hapụ di ya, ụmụ ya na nne di ya gaa biri n'ụlọ elu ndị soja kwajuru ibu na Nanka were ukwu ebi ọkazi.

O mechara laghachi n'ebe ahụ di ya, ụmụ ya na nne di ya bi. ọnọdụ o doweziri Chike mgbe ahụ ka njọ karịa ọnọdụ ọ nọ na mbụ. Ada mechara gbaa izu ya na ndị enyi ya ndị amị wee kpụga Chike n'amị n'ihi na Ada kwenyere na Chike agaghi adị ndụ si ebe ahụ lọta. Na ọ bụrụ na agụụ egbughi Chike, mgbọ shel atụgbuo ya. Ada mechara tụrụ ime n'aka ndị enyi ya nọ n'amị, mụọ nwa tupu agha ebie.

Mgbe agha biri, Ada amaghi ihe ọ ga-eme, ọ hụghizi tụtụrụ rachaa. ọ gara na be enyi ya ahụ tụrụ ya ime ka ọ lụọ ya mana ọ gwara ya na ya alụọla nwanyị mụta ụmụ abụọ. N'ihi ya, ya agaghi alụ nwaanyị ọzọ. Na asịkwarị na ya chọrọ ilụ nwaanyị ọzọ, ya agaghi alụ Ada n'ihi ihe o mere nna ya ukwu bụ Chike n'oge agha. O nyere Ada ego ka o were gba ụgbọ laghachi. Ada ahụghi ukwu o ga-eji laggachikwuru Chike.

Mgbe Chike si amị lọta, o nwetaghachiri ihe ya niile furu efu n'ihi na ego akwụkwo o tinyere n'ụlọ akụ bụ agụkata agba awa. ọ gakwara n'Enugu natacha ego ụgwọ ụlọ n'aka ndị bigasi n'ụlọ ọ rụgasịrị n'Enugu, ego wee bụrụ nsi ọbọgwụ. ọ gakwara n'ụlọ ọrụ ebe a na-akwọ okute o nwere na Lagos hụ na onye ọcha na-elekọtara ya ebe ahụ ekweghi ka ụlọ ọrụ ya ahụ daa. Onye ọcha ahụ nyere ya akwụkwọ ha ji tinyere ya ego n'ụlọ akụ. Ego Chike hụrụ n'akwụkwọ ahụ mere ka anya mmiri ọnụ ju ya anya.

Chike kere ego dị n'akwụkwọ ahụ ụzọ anọ, bunye onye ọcha ahụ otu ụzọ, bunyekwa ya otu ụzọ ọzọ, sị ya ka o kee ndị niile na-arụ ọrụ ebe ahụ, were ụzọ abụọ ndị ọzọ. Chike jere ebe a na-ere ụgbọ, zụrụ mesediz benz pụtara ọhụrụ gwụọ ụgwọ ya ozigbo buru ya tinye isi n'ụzọ Enugu.

Ugbu a, Chike alọghachila n'ụdị ya. Ego ya bụ atụrụ tawa. ọ gara n'ahịa zụrụ ọtụtụ akpa nnu nọrọ ebe ahụ tọka ya wufuo ya n'ala bido zọwa ya ụkwụ n'ihi na o chetara ọnọdụ nnu dowere ya n'oge agha. Mgbe o mechara nke a, ọ zụrụ akpa nnu iri, akpa osikapa asatọ, akpa agwa asatọ, azụ, ewu abụọ tinyere ndị ụgbọ ala na-eje be ha, kwụọ ha ụgwọ, si ha ka ha bulatara ya ihe ndi a n'obodo ya bụ Awka. Mgbe o ruru Awka, o keere ndị mmadụ ihe onyinye ndị ahụ na ya bụ nwoke adịla ka ọ na-adị, o mewe ka ọ si eme. Ihe o nyere agadi nwaanyi na-ezowe ya mgbe Ada na ndị enyi ya na-achụgharị ya bụ agụkata agba awa.

N'ikpeazụ, n'ụbọchị ọ na-eme oriri na ha nọchara n'oge ọgụ, jiri isi ha lọta ka Ada bịara kụọ aka n'ụlọ ebe ya na ndị enyi ya nọ na-eri ma na-a]ụkwa. Chike amaghị onye na-akụ wee si batawaoo, mgbe Ada batara, dị nkịrịka, kuru nwa n'aka, Chike amaghị onye ọ bụ n'ihi na mma ya agwụla kpam kpam. Mgbe ọ gwara Chike onye ọ bụ, Chike chịrị ọchị na-emetụ na mmụọ wee chetara Ada okwu ọ gwara ya mgbe ya na ndị amị na-eme otu o siri masị ha. O wee tie "di gbakwaa ọkụ". Mgbaghara niile Ada rịọrọ Chike amịtaghị mkpụrụ kama Chike nyere ya ego ka o jiri gbaa ụgbọ laghachiri nne na nna ya n'ihi na ya bụ Chike anaghị eri nri erifọrọ erifọ maka na Ada bụzị nwaanyị ndị amị lụfọrọ alụfọ na ya agaghịkwa alụ ya ọzọ n'ihi na isi akwu dara n'ala edetụla aja. Chike wee gbaa Ada alụkwaghịm.

Ya mere, akwụkwọ Isi Akwụ Dara N'Ala bụ akụkọ a rọrọ arọ nke na-egosị obibi ndụ ndị mmadụ tupu agha Naijiria na Biafra amalite, obibi ndụ ha n'oge agha na obibi ndụ ha n'oge agha kwụsiri. Ubesie ji ezi na ụlọ Chike na Ada kọwaa oge atọ ndị a pụtara ihe na ya bụ akwụkwọ iduuazị.

Nchịkọta ***Onye Chi Ya Akwatụghi***

Ofomata si n'akwụkwọ Onye Chi Ya Akwatughi kpughe nkwenye ụfọdụ ndị Igbo nwere nke na-emetụta obibi ndụ mmadụ n'ụzọ di iche iche. Odee kọrọ maka otu nwata nwaanyi aha ya bụ Uju. Uju bụ naanị otu nwa Ndubuisi na Obiamaka mụtara n'obodo a kpọrọ Umụngwu nke dị n'Abia steeti. Uju mara mma di egwu, nwe isi akwụkwọ ma nwekwa ezi agwa. Mgbe ọ dị ka chi nna Uju bụ Ndubuisi akwaturu ya bụ ụbọchị o si n'elu ngwọ daa nwụọ pịị na-enweghi nwa nwoke ga-eme ka ama ya ghara ichi. Ọnwụ Ndubuisi mere ka nkwenye a kpọrọ "ihachi nwaanyi" daa n'isi Uju. Nke a mere na a tụrụ anya na Uju agaghi alụ di kama ọ ga-anọ na be nna ya na-amụta nwa ka ama nna ya ghara ichi. Mgbe nne Uju gwara Uju ka ọ ghara ịlụ di, Uju jụrụ n'ihi na ọtụtụ ụmụ nwoke na-echu be ha ka a na-echu mmiri.

Uju mechara lụọ Osita, otu okorobia onye Ụmụngwu ji ego achụ nta ego na Bini. Na be Osita, Uju mụrụ nwa ugboro ugboro mana ume ọmụmụ ekweghi ya kuru ọ bụladị otu. Etu ụmụ Uju si anwụ na-abụ ihe iju anya nye ya na di ya. Nke a mere ka a chụọrọ Uju aja dị iche iche ma o nweghi nke nwere isi. Ọnọdụ a mere ka Osita lụọ nwaanyi ọzọ a kpọrọ Adamma.

Adamma malitere mewe ihe na-agbaka Uju obi, Uju wee kpebie ịlaghachi na be ha bụ ụmụngwu wee nọrọzie n'ụlọ nna ya mụtawa ụmụ. Ụmụ niile ọ mụrụ na be nna ya enweghi nke nwụrụ ma ọlị.

Uju mechara mụtara nna ya ụmụ atọ: Iheanyichukwu, Echezonachukwu na Amarachi. Uju mechara laghachi Bini mepe "Uju's Cool Spot" ebe ọ na-ere mmanya na anụ. Ihe malitere gawara ya nke ọma.

Adamma nwunye Osita nke abụọ mụtara ụmụ abụọ Amobi na Somtoo. Osita mepeere ya ebe ọ na-ere mmanya na anụ. Adamma mara mma nke ukwuu na-erecha oke nrecha, anya ya dịkwa n'ezi; nke a mere ka o bido gbawa akwụna. Enyi ya nwoke Bola nyere ya ọgwụ ka o tinyere di ya na nri n'ihi nsogbu Osita na-enye ha abụọ. Adamma mechara hapụ Osita na ụmụ ya soro Bola lawa Lagos ma ọ maghị na Bola alụọla nwaanyị mụta ụmụ isii. N'ikpeazụ, Bola chụpụrụ Adamma n'ụlọ ebe o dowere ya mgbe ha ruru Lagos. Ihere ekweghi adamma laghachi Ụmụngwu n'ihi na nsi o tinyeere di ya na nri ewusaala ebe niile. Adamma ghọzie akwụna n'ụlọ oriri na ọṅụṅụ dị na Lagos. Osita, site na enyemaka Chukwudị na Chinwe nwunye ya gara ụlọ ọgwụ mana ọgwụ niile a na-enye ya bụ mmiri ka a na-awụsa n'elu nkume n'ihi na nsi nwunye ya nyere ya ejezuola ya ahụ. Ọ bụ dibia Ahụekwe nọ n'Ụmụngwu bu onye ji ọgwụ Igbo zọọ Osita ndụ. Ọ bụ etu a ka Adamma siri chụọ onwe ya na di.

Nchịkọta *Ọdị Ụkọ na Mba*

Akwụkwọ *Ọdị Ụkọ na Mba* na-akọwa ọnọdụ ndị ọrụ bekee nọ mgbe gboo. Nwokeọcha bụ onye ọrụ oloko. Ọ mụtara ụmụ isii, ụmụ nwaanyị anọ na ụmụ nwoke abụọ.

Ọ zụchara ụmụ nwaanyi ya n'akwụkwọ nke isii ma di kwa njikere ịzụ ụmụ ya ndị nwoke bụ ndị bịara ikpeazụ n'ụlọ ya. Ụmụ Nwokeọcha niile na-eku ịkpa dị egwu ma onye nganga nke ya bara n'isi bụ ada ya nwaanyị nke aha ya bụ Adaakụ. Adaakụ gụrụ akwụkwọ isii, gakwaa kọmashalụ ebe ọ mụrụ tayịpịnị.

Ndi di bidoro na-ezoro Adaakụ ka mmiri, o mechara lụọ Eze Ụzọchi onye nọọsụ a ma ama n'obodo. Eze kpọọrọ ya lawa Lagos ha abụọ biri. Ha abụọ binyere ada nne Eze nke a kpọrọ Nwanyiugbo. Naanị ihe Adaakụ na-arụ bụ isi nri ha dum na-eri mana mpako ekweghi ka ha biri. Mgbe Adaakụ mụrụ Ijeọma, nne ya bụ Ihemjieme gara ile ya ọmụgwọ; ihe nne Adaakụ hụrụ n'agwa Adaakụ gosịrị ya na Adaakụ enweghi mmasị ịnọgide na be di ya.

Adaakụ kpebiri na ya ga-alụgharịrị di n'ihi na Eze gwara ya na o nweghi onye ọzọ ga-alụnwu ya n'ụwa a. Mgbe nne Adaakụ lawara ọmụgwọ, Adaakụ kwakọrọ ngwongwo ya kuru Ijeoma lawa Enugu ebe nne na nna ya bi. Iwe were nna ya nke ukwuu n'ihi agwa Adaakụ. Ndụmọdụ niile Nwokeọcha na Ihemjieme nyere Adaakụ achịtaghị aha. Adaakụ sooro nwanne nne ya Ekwujuruka lawa Cameroon.

Ebe ahụ ka ọ nọ hụta Egwu, onye Naijiria ya na ya na-arụkọ ọrụ n'otu ụlọ ọrụ. Egwu mechara tụwa ya ime, ọ gụrụ nwa ahụ ọ mụrụ Maraizu.

Eze mechara gbaa Nwokeọcha na Ihemjieme akwụkwọ n'ụlọ ikpe omenaala dị n'Umuahia. Mgbe Adaakụ lọtara nụ ihe merenụ, ọ gakwara gbaa Eze alụkwaghịm n'otu ụlọikpe ahụ. Mgbe ndị ikpe wara ikpe, a kpọnyere Eze ụmụaka abụọ ahụ Adaakụ mụtara. Adaakụ laghachiri Cameroon ga lụọ Okoro Madụ mama alụmalụ ha juputara n'ọgụ na mgba. ọnọdụ ya na Okoro mere ka Adaakụ kwere na Eze ka Egwu na Okoro mma n'ihi na ya bụ ogori alụọla di abụọ wee mara nke ka mma.

Okoro Madụ bụ onye ọrụ ngo. O ji ego na-esi isi ma nke a emeghi ka udo dị n'etiti ya na Adaakụ n'ihi na ike na ike rahụ n'ụlọ, ụlọ eghere oghe. Isi ike Adaakụ mere ka ya na Okoro na-alụ ọgụ mgbe ọ bụla.

Naanị ọnwa abụọ ka Adaakụ na Okoro biri, ndị gọọmenti Cameroon etie iwu na ndị ọ bụla na-abụghị ndị nwe ala nwere ụlọ ọrụ ma ọ bụ ụlọ ahịa ga-eresi ha ndị nwe ala. Iwu a metụtara Okoro na Adaakụ nwunye ya nke ukwu n'ihi na akụ ha niile funahụrụ n'otu ụbọchị. Naanị ndụ ha ka ha ji lọta Naijiria. ọnọdụ a tinyere Adaakụ n'ire akpụ n'ahịa ụmụahia. Ebe ahụ ọ na-ere akpụ ka ọ nọ hụ ọmarịcha agbọghọ abụọ mma zuru ahụ wee chọpụta na ọbụ ụmụ ya Ijeoma na Maraizu. Ihere juru ya ihu mgbe ọ hụrụ Eze, odogwu nwoke bụ sọ mma. O wutekwara Eze ihu Adaakụ n'ọnọdụ ọ hụrụ ya ụbọchị ahụ. Ma ka ọ dị ugbu a, Eze alụọla nwaanyi ọzọ ya na ya na-ebi n'udo.

N'ikpeazụ, Adaakụ rịọrọ Eze mgbaghara, Eze agbaghakwara ya mama ihere ihe ụmụ ụwa ga-ekwu ekweghi ya laghachi na be Eze. Akụkọ dị n'iduuazị a na-egosị na ụwa bụ onye nọrọ ebe ọ nọ, ebe ọ na-anọghị a na-agụ ya. Mana nwaanyi lụọ di abụọ ọ họrọ nke ka ya mma. Adaakụ alụọla di abụọ wee họrọ nke ka ya mma. Adaakụ mechara kwere n'ezie na Eze Ụzọchi bụ ọdị ụkọ na mba.